# EGOSIPỤTARA IHEÀTỤ̀ NKE ỊGỤMMADỤ N'ONYEEZIOMUME SITE N'OKWUKWE

## NIME ABRAHAM

**Ndi Rom 4:1-25; Jenesis 12:1-3; 15:4-6**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 383**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ihi na anēji obi kwere rue ezi omume: anēji kwa ọnu kwuputa rue nzọputa" (Ndi Rom 10:10).**

**I Eziomume Site N'okwukwe**

1 Abraham natara eziomume site n'okwukwe ọ bụghị kwa site n'ọlụ, Ndi Rom 4:1-3; Jenesis 15:6; Jemes 2:23

2 Ọ bụrụ na nzọpụta bịara site n'ọlụ, ọ gaabụworị ụgwọ nke Chineke ji anyị ọ bụghị kwa amara nke enyere n'efu, Ndi Rom 4:4, 5; 11:6

3 Devid gbakwara àmà banyere otù òzízí ahụ, Ndi Rom 4:6-8; Abù Ọma 32:2

**II Ngọzi niile nke okwukwe dịrị Ndị Ebiriúgwù na Ndị Anaebighị úgwù**

1 Agụrụ Abraham n'onye eziomume site n'okwukwe tupu ebie ya úgwù, ka o wee bụrụ nna nke ndị niile kwereekwe, Ndi Rom 4:9-12; Ndi Galeetia 3:7

2 Ekwere Abraham mkwà ahụ site n'eziomume nke sitere n'okwukwe ọ bụghị site n'Iwu, Ndi Rom 4:13-17; Jenesis 12:1-3; Galetia 3:18, 29

**III Nkọwa nke Okwukwe Abraham**

1 Dịka òkìkè si dị ọ bụ ihe anaapụghị ime bụ́ Abraham ịmụta nwa nwoke, ma o kwere na Chineke Onye doro iwu nke òkìkè ma nwee kwa ike ịlụọlụ náadabereghị n'iwu nke òkìkè, Ndi Rom 4:18-22; Jenesis 15:4-6; Ndi Hibru 11:11, 12

2 Edepụtara akụkọ a n'ihi nzọpụta nke anyị, ka anyị wee kwere na Kraist Onye nwụrụ n'ihi mmehie niile nke anyị ewee mee kwa ka O bilie n'ihi ịgụ anyị ná ndị eziomume, Ndi Rom 4:23-25; 2 Ndi Kọrint 5:21; Ndi Galetia 1:4; I Pita 1:21

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Olu Nke Chineke

Abraham sitere n'obodo nke ndị náamaghị Chineke nke nọkwa n'ọchịchịrị. Náagbaghịagụgọ ha dị ka ndị ahụ nke Pọl kọwara ná Ndi Rom 1:21-23. Ha jụrụ ịnọgide námmazu nke Chineke n'ihi nke a Chineke rara ha nye náadịghị ọcha niile. Ma nime mmehie na ọchịchịrị nke ụwa nke a, enwere otù nwoke onye Chineke pụrụ ikpughe OnweYa nye ma chọta kwa ọ̀zízá nime obi ya: nwoke ahụ bụ Abraham.

Ọ bụ iheijuanya na nime ụwa nke mmehie na ọchịchịrị nke a, Chineke pụrụ ikwuokwu gị ewee mata na ọ bụ olu nke Chineke. Ọ bụghị mgbe niile ka ọ gaabụ n'olu nke egbeeluigwe nke anụrụ n'Ugwu Sainai maọbụ n'olu dị ezinwayọ nke anụrụ na Horeb; kama mgbe Ọ naekwuokwu ị gaamata ya.

Nime ala ahụ nke gbara ọchịchịri nke ndị náamaghị kwa Chineke, Abraham matara olu nke Chineke ma kwere kwa na Chineke. Okwukwe ahụ webatara eziomume nime obi ya. Lee otú ọ gaesi bụrụ ihe dị mfé ikwere mgbe azụlitere mmadụ n'ala nke Oziọma dị nime ya ebe ọ náadịghị mgbe akụziri ya ịkpọisiala nye arụsị dị icheiche nke osisi maọbụ nke nkume! Ma ekwensu wetaara Iv òzízí ya nke ekwesịghị ntụkwasịobi na nke ekweghịekwe nime Ogige Iden. Ọ gaagbalị iwetaara gị ya ọbụná nime ụlọ nke Chineke; ma cheta, Abraham kwere Chineke mgbe ekweghịekwe na ikperearụsị gbara ya gburugburu.

### Nna nke Ndị Niile Kwereekwe

Abraham bụrịị onye náamaghị Chineke, ma Chineke gbaghara ya ma webata kwa ya na agbụrụ ya niile n'ọgbụgbandụ pụrụ iche nke ọ bụ nime ya ka mkpụrụ ya gaeketa ụwa. Agụrụ Abraham n'onye eziomume site náání n'otù ụzọ ahụ nke apụrụ ịgụ onyemmehie n'onye eziomume nime ya: site n'ebere nke Chineke na site kwa n'okwukwe: na nrubeisi. Site n'okwukwe ọ ghọrọ onyeisi ahụ dị ukwu maọbụ nna nke ndị niile kwereekwe. N'oge ndị nna mbụ ọ bụ ihe ukwu ịbụ nna, ọ naabụ ihe ukwu karịa ịbụ nna nke otù agbụrụ, ọ bụ kwa ịdị ukwu nke kachasị ịbụ nna nke ọtụtụ mba.

Emere ka ọ pụta ìhè nkeọma ná ndụ Abraham na agụrụ ndịeziomume site n'okwukwe. O kwere na Chineke ewee gụọ nke ahụ nye ya dịka eziomume. Ọtụtụ arọ garaaga tutu Chineke akaa Ọgbụgbandụ akàrà nke Ya na Abraham na mkpụrụ ya gbara site n'akàrà nke obibiúgwù, agụwo Abraham n'onye eziomume site n'okwukwe. Agwaghị anyị otú maọbụ mgbe Abraham buru ụzọ kwere na Chineke; kama Chineke kpọrọ òkù, o wee za òkù ahụ. Ọ bụghị náánị nrubeisi nye ọkpụkpọòkù ahụ mere ka agụọ Abraham n'onye eziomume, kama okwukwe ahụ kwa nke mere ka ọ hụta iruọma n'ebe Chineke nọ. Ezi ọlụ naeso njikọta nke obi anyị na Chineke site n'okwukwe. Jemes sịrị, "Gosim okwukwe-gi ma ọlu-gi adigh ya, mu onwem gēsite kwa n'ọlum gosi gi okwukwe." Enwere ndị Juu nọ na Rom ndị náekwu na aghaghị ibi mmadụ úgwù ka ya na Chineke wee dị n'udo. Ha naagbalị iweghachị Okpukpé nke NdịKraist n'okpuru Iwu. Pọl naakọwa na mmadụ apụghị ịnọ n'okpuru Iwu nke Moses ma nọdụ kwa n'okpuru amara site na Jisọs Kraist n'otù oge ahụ. N'otùaka ahụ kwa, ị pụghị ijikọta ọlụ na ịgụ mmadụ n'onyeeziomume, ọ bụrụ na ọ bụ ọlụ naeme ka anyị na Chineke dị n'otù, ọ pụtara na ọ bụ site n'ụgwọ ka eji zọpụta anyị ọ bụghị kwa site n'ebere. Ma ọ bụ ebere nke Chineke zọputaara anyị, ọ bụghị kwa ọlụ. (Gụọ Ndi Galetia 2:16; 3:1).

Ndịmmehie ogbenye òle bụ́ ndị náenweghị eziọlụ ọ bụla nke pụrụ ikwu ezi ihe banyere ha n'iru Chineke gbuworo ikpere kwaaákwà maka ebere wee chọta kwa amara nke mgbaghara. Ha kweere ná mkwà ahụ wee bụrụ kwa ndị Ọkpara ahụ nabatara.

Devid sịrị: "Onye ihe nāgara nke-ọma ka ọ bu, bú onye ebupuworo njehie ya, onye ekpuchiworo nmehie-ya."

**Ezi Okpukpé nke Ndị Kraist**

Anyị naahụ ndị náekwupụta na ha kwere na Jisọs Kraist ma ha naátụanya na ịbụ onyeòtù nke nzukọ ha, ezi ọlụ nke ebere ha, ọlụ ha nke anaahụanya gaeme ka ha baa n'Eluigwe. Ma Jisọs sịrị, "Aghagh imu unu ọzọ" (Jọn 3:7). Ha naarapụ nnwapụta nke ọ́mụ́mụ́ ọhụụ ahụ wee were náánị uche ha kwere n'akụkọ banyere Jisọs.

Akwụkwọnsọ naasị: "N'ihi na anēji obi kwere rue ezi omume; anēji kwa ọnu kwuputa rue nzọputa" (Ndi Rom 10:10). Ha bụ ndị kpuruisi ma bụrụ kwa ndị ndịndú kpuruisi naedu, ha niile "gādaba n'olulu."

Ndịmmehie bụ́ ndị ghọtara na ha apụghị inyere onweha aka wee rịọ kwa Chineke arịrịọ maka ebere naachọta mgbaghara. Agbaghara ha site n'okwukwe ma sachapụ kwa mmehie niile ha "N'ihi na mgbe ayi nọ nādigh ike, mgbe oge-Ya ruru Kraist nwuru n'ihi ndi nādigh-asọpuru Chineke" (Ndi Rom 5:6).

Dịka ọnwụ Jisọs Kraist bụ maka mkpuchi nke mmehie niile nke anyị, otú a kwa ka mbiliten'ọnwụ Ya bụ iheàmà na mkwà nke ndụ ebighịebi anyị.

**Mkpụrụ nke Abraham**

Ọtụtụ arọ gabigara. Chineke dupụtara Abraham wee mee ka o leeanya n'Eluigwe n'otù abalị wee sị, otú ọ dị, "Abraham, n'elu! Gụọ kpakpando nile! Otú a ka mkpuru gi ga-adi. Ì huru mkpuru aja ntà ndia? Ì puru igu ha ọnu? Mgbe ahu I ga-enwe kwa ike igu mkpuru gi ọnu."

Abraham enweghị nwa, ya na Sera emewo kwa agadi. Dịka òkìkè si dị, olileanya na ha gaenwe nwa agafewo. Ma Abraham enweghị obiabụọ n'ebe mkwà nke Chineke dị site n'ekweghiekwe. Òlee onye ahụ nke kweere náánị n'ihe anaahụanya bụ́ onye naahụ náánị iwu nke òkìkè? Abraham esoghị n'òtù ahụ. O nweghị obiabụọ, kama ọ ka nwekwara olileanya mgbe olileanya gasịrị. Site n'okwukwe ahụ guzosiriike, nke náadịghị añagharịañagharị o ghọrọ nna nke okwukwe. Anyị bụ́ ndịkwereekwe bụ ụmụ Abraham. Ndị Juu gaachọ ijidesi nke ahụ ike na náánị ha bụ ụmụ nke Abraham. Pọl sịrị na ya abụghị onye Juu nime mmụọ. O kwupụtara na ekwere Abraham mkwà ahụ mgbe ọ ka bụ onye Mbaọzọ, na mkwà ahụ dịkwara mkpụrụ ya, nke bụ otù onye, ọbụná Kraist. Ọ bụrụ na amụbatawo anyị nime ezinaụlọ nke Chineke site n'ọ́mụ́mụ́ọhụụ ahụ, anyị bụ mkpụrụ nke Kraist na ụmụụmụ nke Abraham.

Ọ́mụ́mụ́ nke Aisak bụ ọlụebube. Ọ́mụ́mụ́ nke Kraist bụ kwa ọlụebube. "Ọ́mumu ọhu" ahụ bụ ọlụebube. Abraham amataghị otú Chineke gaesi mee ka mkpụrụ Ya bụrụ ihe anaapụghị ịgụtaọnụ dịka ájá nke ókéosimiri, ma ọ mataara na ọ dịghị ihe Chineke náapụghị ime. Ndị nke Kraist bụ ndị ahụ kwere dịka ihenlereanya ahụ nke Abraham nyere. Ha bụ mkpụrụ nke imemmụọ. Mkwà nke nzọpụta dịrị ndị ahụ kwere na Kraist, n'ihi na Ya onweYa bụ Mkpụrụ ahụ nke ekwere ná Mkwà.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òlee otú esi gụọ Abraham n'onye eziomume? Òlee otú anyị si enweta ya?
2. Gịnị mere eji kpọ Abraham nna nke ndịokwukwe?
3. Kọwaa otú ndị Mbaọzọ si soro ná mkwà ahụ nke ekwere Abraham.
4. Èkwere Abraham mkwà ahụ site n'Iwu ahụ nke enyere?
5. Akwụkwọnsọ kwuru na Abraham dị ike n'okwukwe. Nye iheịmaàtụ̀ dị icheiche banyere nke a.